SALVATION MINISTRIES
HOME OF SUCCESS

NZUKỌ KRAIST DỊ N'ỤLỌ: TUSDEE – 26/07/22 H

ISIOKWU: CHINEKE NKE ỌBỌ

| S/N | IHE OMUME | OGE | MGBE |
|---|---|---|---|
| 1 | EKPERE MBIDO | 6:00 - 6:01 | NKEJI 1 |
| 2 | ABU OFUFE NA OTITO | 6:01 - 6:08 | NKEJI 7 |
| 3 | OKWU NWULI DỊ NKE-NKE | 6:08 - 6:18 | NKEJI 10 |
| 4 | EKPERE MAKA SALVATION MINISTRIES | 6:18 - 6:24 | NKEJI 6 |
| 5 | EKPERE MAKA DAVID IBIYEOMIE | 6:24 - 6:30 | NKEJI 6 |
| 6 | EKPERE MAKA EZI NDỊ OTU NZUKỌ A DỊ N'ỤLỌ | 6:30 - 6:40 | NKEJI 10 |
| 7 | EKPERE MGBAKWUNYE MAKA ỌDỊMMA NDỊ ỌZỌ | 6:40 - 6:45 | NKEJI 5 |
| 8 | IGBA-AMA | 6:46 - 6:49 | NKEJI 4 |
| 9 | INABATA NDỊ ỌHỤRỤ | 6:49 - 6:51 | NKEJI 2 |
| 10 | OGE ORIRI NSỌ | 6:51 - 6:55 | NKEJI 4 |
| 11 | IHE GBASARA ỌDỊMMA | 6:55 - 6:58 | NKEJI 3 |
| 12 | IMA ỌKWA NA MMECHI | 6:58 - 7:00 | NKEJI |

**OKWU NWULITE: 1 Tomoti 1:18 (GỤỌ)** Chineke ekwuola ọtụtụ ihe gbasara gị mana enwere ike inweta ha site n'udidi ọtụtụ ikike pụrụ iche. Ị ga emerịrị ihe, iji hụ na ike nke ala mmụọ egbughị okwu ndị ahụ oge. **Detọrọnọmi 2:24.** Rue mgbe enwere ihe ndọghasi, agaghị enwe ọtụtụ ihe nweta. Ị ga-akpọkurịrị Chineke nke ọbọ ka ihe ọjọọ niile wee hapụ gị aka. **Abụ ọma 94:1.** Ọbọ dịrị Chineke **Luk 18:7-8.** Ọ bụrụ na ịnwere okwukwe n'okwu Chineke; Ọ ga-abọrọ gị ọbọ ngwa ngwa. Ajọ omume dị ire, anyị anaghị ekiri ya kama, anyị anyị n'ekpe ekpere ka ajọ omume kwụsị. Ọburu na Chineke ga-abọ ọbọ, anyị ga-ariọrịrị maka ya. **Mattiu 7:7.** Adịghị abọ ọbọ rue mgbe ekwuputara ya n'ọnụ. Ọ bụghị nanị n'ihi na edere ya ede kama ị g'ekperịrị ya n'ekpere ka ewee bọọ ọbọ n'iru ọma gị. **Aịsaia 44:26.** Ọ bu olu gị n'ekpere n'eme ka okwu Chineke edere ede guzosie ike.

**GỊNỊ KPATARA IBỌ ỌBỌ:**

**1**. Ọ na ebute nnwere onwe n'ozuzu oke. **Ọpụpụ 12:12, Ọpụpụ 4:22-23.**
**2.** Ọ na ebute nkasi obi gburugburu. **Aịsaia 61:1-2.**
**3.** Ọ na ebute ihe itunanya si n'elu. **Aịsaia 61:3.** [Inabata Kraịst]

**EKPERE MAKA NZUKỌ SALVATION MINISTRIES:**

**1**. Were obi gị nile kelee Chineke maka agam n'iru nke udo, nchekwa, ọtụtụ mmeri, ibọ ọbọ, otuto, mgbasa na mmụba nke Salvation Ministries n'ekpoli ndụ n'ime ya. **II.Ndi Tesalọnaika 3:16.**
**2.** Were ọnuma nsọ kpochapu ka ha ra bu atụmatụ nile nke ala mmụọ iji wakpo udo na otuto na-aga n'iru na Salvation Ministries n'uwa dum. Kwubie na Ọ ga-aga n'ihu inwe udo na otuto. **Aisaia 60:18, Zefanaia 3:15.**
**3.** Kee agbu ma chụpụ mmụọ ọnwụ, nria nria na ihe otiti site n'iwakpo Salvation Ministries n'ime oge a na n'odi n'ihu. Tọpu onye ọbula nọ na àkwà mbibi ma kwubie ọgbugba ndụ nke ogologo ndụ bara uru na arụ isi ike nye ya. **2 Tomoti 1:10, Malakai 2:5.**
**4.** Were iwe kee ekwensu agbu ma chupu ya site n'inagha agam n'iru nke mwubata nke ọtụtụ mkpụrụ obi anapughi iguta ọnụ nke ga-anọgidesi ike n'ime ofufe na ọgbakọ nile nke Salvation Ministries, jiri ọgbakọ nzukọ Kraist anyị nile di n'ulo dika ihe nrụtụ aka. Kwubie na ag'enwe mwubata nke ọtụtụ mkpụrụ obi n'enweghi nkwusi n'ime ofufe na n'ọgbakọ ya nile. **Matiu 18:18, Maika 4:1.**

**EKPERE MAKA DAVID IBIYEOMIE NA EZINỤLỌ**

**1**. Kelee Chineke maka agam n'iru nke amara ya, udo nakwa ime ka ọ bịa na mmezu bu okwu nile sitere n'ọnu David Ibiyeomie pụta, site na mmalite nke afọ a na n'odi n'ihu. **Jeremaia 1:12.**
**2.** Kee agbu ma chupu ekwensu site n'iluzu ọlu ya nke gụnyere ịgbụ, izụ na ila n'iyi megide ndụ na ezinụlọ nke ezi ndị nile metụtara David Ibiyeomie mgbe ọ n'eme na mgbe ọ ga emesi igba afọ ọmụmụ ya nke iri isii ya **(60th). Abụ ọma 89:22, Jọn 14:21.**
**3.** Bàà mba megide mmụọ ọnwụ ike, nria nria, ihe otiti ka ọ ghara inwe oghere n'ime ndụ, ezinụlọ nakwa ndị niile hụrụ David Ibiyeomie na-anya n'ezịe. Kwubie ogologo ndụ bàrà uru na arụ isi ike nye ha nile.
**Abụ ọma 116: 8-9, Jọn 11:26.**
**4.** Kpochapu ekwensu site n'iwakpo David Ibiyeomie ka ọ ghara inweta ezi okwu nke juputara n'ike na n'nkpughe nke okwu Chineke mgbe ọ bụla. Kpee ka enwee udidi nwusa nke ike nke Mmụọ Nsọ n'ije ozi ya nile. **Job 5:12, Luk 4:14-15.**

**EKPERE MAKA EZI NDỊ OTU NZUKỌ DỊ N'ỤLỌ NA EZI NDI ANYI NA HA GBAKWỊRỊ:**

**1**. Were amara kelee Chineke maka agam n'iru nke ọtụtụ ihe itunanya, ngọzi, ọgbụgba àmà na mmeri nye ndị niile n'éfè Chineke n'ezịe na nzukọ Salvation Ministries na mba ụwa nile. **Abụ ọma 126:3.**

**2.** Were iwe chupu ekwensu ma kee ya agbu site n'iwakpo ndụ, ezinụlọ na ihe nnweta nile nke ndi nile n'éfè Chineke n'ezịe n'ime Salvation Ministries, jiri nzukọ Kraist anyị nile di n'ulo dika ihe nrụtụ aka. Kwubie agam n'iru nke udo na ezumike ugbua na mgbe nile. **Abụ ọma 91:10, Aisaia 32:18.**

**3.** Were Ọbara Jizọs kpochapu mmụọ ọnwụ, nria nria, ihe otiti site n'iwakpo ndụ na ezinụlọ nke ndi nile n'ekere òkè na ofufe nke nzukọ Kraist di n'ulo nile nke Salvation Ministries n'ụwa dum. Tọpu onye ọbula ákàrà ákàrà ọnwụ nke an'eche ka ọ pụta ihè. Kwubie arụ ike na ogologo ndụ bàrà uru nye onye ọ bụla. **Ndị-Hibru 2:14, Abụ ọma 91:16.**

**4.** Were iwe dị nsọ nye iwu ka ọbọ na ọnuma Chineke n'enweghi nkagbu, n'isi ndị niile n'ejere ekwensu ozi, ndị na-akpa atụmatụ ma ọ bu na-akwado ihe ọjọọ megide ndi nile n'éfè Chineke n'ezịe n'ime Salvation Ministries na n'mba ụwa nile. Kwubie egwu na ibubo ebighị ebi anyị n'isi ndị ajọ omume. **Abụ ọma 7:9-13.**

**5.** Were aha Jizọs, baa mbà megide mmụọ enweghị uche ọkà na ọtụtụ ihe ndahie, site n'ipụta ihe na ndụ, ezinụlọ, ebe agụmakwụkwọ, izu ahịa na n'ọrụ nke ndi nile n'éfè Chineke n'ezịe n'ime Salvation Ministries. Kpee na onweghi ndụ aga-achọ achọ. **Mak 16:17b, Aisaia 29:18.**

**6.** Were ikike kee agbu ma chupu ka ha ra bu akụlụngwa nke ekwensu iji weta ike ọgwụgwụ na obi iju oyi gbasara ịhụnanya nke iku mkpụrụ obi, iguzosi ike na nkwadige nke ozi nke alaeze nile n'obi ndị niile n'éfè Chineke n'ezịe n'ime Salvation Ministries. Kpee maka agam n'iru nke ọnunụ ọkụ n'obi nke inwe ofufe na igbasa ije ozi nke alaeze ka olomie onye ọ bụla. **Job 5:12, Abụ ọma 42: 1-2.**

**7. (Ekpere Nke Onwe)**: Riọ Onye Nwe Anyi ka omee karịa ihe ịtubara anya n'ime afọ a nke ihe niile kwere omume, ime ihe niile n'echere gị aka mgba na ihe ịma aka n'iru ngwa ọrụ iji dọta ndị niile furu efu nye Kraist. **Abụ ọma 34:6, I.Ihe Emere 4:10, Ndị Efesọs 3:20.**

**MARA: Enwere ike ikpe ekpere ndị ọzọ maka ọnọdụ ndị ọzọ pụrụ iche.**

AKWỤKWỌ NSỌ ENWERE IKE IJI KPE EKPERE NLEKỌTA DI ICHE ICHE: Abụ ọma 91:151. Ọgwụgwọ nsọ Matiu 8:17, Aisaia 58:8a. (2). Nkpụrụ nke afọ- Jenesis 1:28, Det 7:14. (3). Ịjụ ikwụ ụgwọ ọrụ arụrụ- Rut 3:18b, Levitikọs 19:13, 1Tim 5:18. (4). Nmeri n'ụlọ ikpe- Daniel 7:22. (5). Ihe-ọjọọ nyere oge o ji abia- Nehum 1:9. (6). Ndi njem Abu-Ọma 121:7-8. (7). Inata ihu-oma- Abo-oma 44:3. Ọpụpụ 3:21. (8). Izọpụta ndi nmehie- Abu ọma 16:10-11a. (9). Inweta dí nye ụmụ-nwanyi- Aisaia 62:5/ Inweta iru-ọma nye ụmụ-nwoke- Abu-oma 5:12 (10). Megide itụ egwu onwụ - Abu-oma 63:9-10, Aisaia 49:25,26. (11). Izu-oke- Abu-oma 138:8.

**IGBA-AMA: Sitere n'aka Nwada Blessing Amadi (Nke ụlọ nzukọ dị n'ụlọ Mazi na Oriaku Matthew Okpokiri, Rumuodara PHC.)** Enyochapụtara ọrịa ana-akpọ prostrate kansa na-arụ Nnam na-adọ gara-aga, nke sonyeere ulcer na ọbara mgbali elu. Eweterem okwu ahụ n'ụlọ nzukọ Kraist anyị. Ekpere ya ekpere. Anam enyekwa ya arụ na ọbara Jizọs kwa ụbọchị, n'izuka gàrà-aga ka ọ gara nlezi ahụ ya, ha chọpụtara na ọbara mgbali elu ya adiwo nma, ulcer ya alaala. Ahụ adiwo ya nma. Anam enye Chineke otuto niile.

<u>OGE ORIRI NSỌ</u>: **-[Biko mara na: achịcha, biskiti ma-ọbu keki ka inwere ike iji mee arụ Jizọs, ebe iga eji kwa mmanya ọṅụṅụ na mmanya na-adịghi aba n'anya wee mee Ọbara]. Jọn 6:54-56 (Gụọ)** - Dika m n'eri arụ ma na-aṅukwa ọbara Jizọs**, anam eketa oke na ndụ ebighị ebi nakwa n'ihe nile n'eso nzọpụta abia. Enwerem ihe mgbochi nye nria-nria, ihe otiti, ọria ọjọọ na ọnwụ. Anam anara arụ ike si n'elu, ike si n'elu, ogologo ndụ bàrà uru dgz..na aha Jizọs Kraịst! (Setipụ áká gị rue tebulu oriri nsọ ma bido kwubie okwu gbasara ihe Ị chọrọ na-aka Chineke site n'aha Jizọs.)**

**<u>ỌKWA DI OKE NKPA</u>: 1. NDI NDU G'AGBALISI IKE IGBA NDI HA N'EDU UME IWEPỤTA ỤLỌ HA MAKA ỊCHỊKỌBA NZUKỌ KRAIST DI N'ỤLỌ, IJI NABATA NDI N'ESONYERE ANYI ỌHỤRỤ.**

(2). GBAA HA UME IGA ỤLỌ AKWỤKWỌ NSỌ (WOLBI) NKE NZUKỌ A. (**3). IHE ỊGBA-AMA ỤFỌDỤ PỤRỤ ICHE KA A GA EZIGA NA celltestimonies@smhos.org n'ọbụ +234(0)9086680613, +234(0)9036620748, +234(0)9036620597.**

**(4). ISIOKWU MAKA OFUFE IZU ỤKA ỌZỌ: IGA NJEM N'ITOZU OKE NKE IME MMỤỌ. 09/08/2022.**